# IGBO

## NTIMKPU!

Ntimkpu bu otu n' ime nkeji asusu igbo.O bu okwu na-egosi mkpu etiri na mberede, nkuja, egwu, uju, nwute maobu ojuju anya. Mkpu ahu daputara mmadu n'onu na mberede, ujo maobu na nkuja, nke eji eti mkpu gosiputara ka akporo ntimkpu. Enwere akara ntimkpu bu (!). I gave etinye ya n'okwu bu - hei !, tufia !, yaa-yaa !, Ole!, ewoo!, aru!, daluo!, naagboo!, deme!, ololololo!, aru emee!, taa!, wdg.

**UDI NTIMKPU**

(a) Ntimkpu obi anuri.
(b) Ntimkpu ekele.
(c) Ntimkpu nwute.
(d) Ntimkpu obi ike.

**A) Ntimkpu obi anuri:**

Nke a na-egosiputa obi anuri. Imaatu;
a. Iyaa! Ngoo, anuola di.
b. Iyaa! Obi adilam mma.
ch. Ee yaa!, O muola nwa nwoke.
d. Chukwukeluba di egwuo!
e. Ehee! i mere ya nke oma.

**B) Ntimkpu ekele:**

Nke a bu ntimkpu na - egosi ekele. Ndi Igbo nwere ekele di iche iche ; mgbe mmadu na - aru oru, mgbe I he mere mmadu, mgbe mmadu na - aga njem maobu lots njem ,wdg. Imaatu: a. Ndo! Kasie.
b. Naagboo! Ukwu akpola gi n' uzo.
ch. Nolu mma o!
d. Deme! I mere nke oma.
e. Daalu! Chukwu gozie gi.
F. Nnoo! I biala?

**CH) Ntimkpu uwute:**

Nke a bu mkpu na egosiputa nwute di mmadu n' obi.
Immatu:
a. Aru emee! Chi ewere ehihie jie.
b. Chie! Nneka echue mmadu aha.
ch. Ewoo! Aka ekpe aga m n’azu o.

**D) Ntimkpu obi Ike:**

Nke a bu mkpu eji obi Ike tie.
Imaatu:
a. Taa! Kpuchie onu gi.
b. Hmmm! Ike agwula m n'ije a.

## AGUMAGU ONU/ODINALA

Agumagu onu bu agumagu nke ndi cheputara banyere isiokwu enyere ya ma were asusu nka kowaputa ya.

Agumagu onu bu agumagu niile eji onu aguputa nke edeghi ede. O bu agumagu nke nna nna anyi koro nke si na-aka fere aka wee ruo anyi aka.

***Ekere agumagu uzo abuo:***

a. Agumagu onu

b. Agumagu ugbua

(a) Agumagu onu nwere ngalaba ato: a. Abu

b. Ejije
Ch. Akuko

(b) Agumagu ugbua nwekwara ngalaba ato: a. Abu

b. Ejije
ch. Akuko

**IHE NDI BU AGUMAGU**

(1) Akuko, abu, ejije.

(2) Akuko ihe mere eme.

(3) Edemede di iche iche.

**URU AGUMAGU BARA**

(a) Agumagu na-enyere anyi aka site n'iji ya kuzie otutu ihe di mkpa na ndu anyi.

(b) Eji ya anori oge.

(c) Agumagu na-enyere obi añuri.

(d) O na-eweta mmekorita n' etiti mmadu n' ibe ya.

## EKELE

Ekele bu ihe na-egosi ihu oma mmadu nwere n'ebe ibe ya no. O na-egosi nsopuru mmadu nwere ma na-egosikwa obi ocha.

**UDI EKELE DI ICHE ICHE.**

a. Ekele ututu bu:
a. ututu oma.

b. unu aboola chi.
c. iputakwara ura.

b. Ekele ehihe bu: a. ndewoo.

b. jisie Ike. c. ehihe oma.

c. Ekele abali bu: a. ka chifoo.
b. ka chifoo.

c. uchichi oma.

b. Ekele inabata obia.
a. nnoo.
b. ibiala
c. idikwa mma

c. Ekele maka ndi oria.
a. ndoo.
b. jisie Ike.
c. oga adimma.

d. Ekele mgbe mmadu mere ihe oma.
a. daalu.
b. deeme.
c. Chukwu gozie gi.

**URU EKELE BARA.**
a. O na-eweta nsopuru.
b. O na-enye obi uto.
c. Eji ya ama nwata azuru azu.

**NKOWAAHA**

Nkowaaha bu otu n'ime nkeji asusu Igbo. O na-akowa maka aha n'ahiriokwu Igbo. Okwu obula a kporo nkowa aha adighi esote mkpuruokwu a bu "di".

**UDIDI NKOWAAHA**
a. Nkowaaha nke n kowa.
b. Nkowaaha nke onye.
ch. Nkowaaha nke nruaka.
d. Nkowaaha mkpoputa.

**k NKOWAAHA NKE NKOWA:** Bu okwu na-akowa mkpoaha a na-ekwu maka ya di. Nkowa bara uba, ufodu bu ndia: oji, ocha, ajo, oma.
*Omumaatu:*
a. Ada nwere chi ojoo.
b. Enwere m isi oma.

**l NKOWAAHA NKE ONYE:** O na-akowaputa maka ihe onye nwe n'onwe ya maobu I he ndi nwere.
*Omumaatu:*
a. Ngozi choro uwe ya.
b. Ngozi choro uwe unu
c. Obi nyem akpa m.

**m NKOWAAHA NKE NRUAKA:** Bu otu n' ime ngalaba nkowaaha.O bu mkpuruokwu na-aru ihe aka iji gosi ihe a na-ekwu maka ya, ebe o di na mkpuruokwu abuo eji eziputa bu: ‘a’ na ‘ahu’
a) "A" na-arutu ihe di nso aka.

1. "Ahu" na-arutu ihe tere aka, aka.
*Omumaatu:*
a. Anyi riri nri ahu.
b. Ulo a mara mma.

**ONUOGUGU (NOMBA) OMUMATU**
a. Ha na-ato biachara ebe a.
b. Ha na-ato gara Onitsha
c. Mmadu iri na ano ga eso
d. Mmadu abuo azutaala akwukwo ahu

**OGBAGHARA NA UDO N'ALA ANYI**
Ibi n'udo bu mgbe mmadu n'ibe ya enweghi esemokwu obula maobu ikpo asi n'etiti onwe ha. Ibi n'udo bu ihe ziri ezi, diiri mba na mba, obodo na obodo, agbataobi na agbataobi, umunna na umunna, umunne na umunne, enyi na enyi, ogo na ogo, di na nwunye, ikwu na ibe, ya na ezi mmeko na enweghi nsogbu obula.

**UDI UDO ABUO ENWERE**
A Udo mmanye
B Udo nkwekorita

**UDO MMANYE**
1. bụ udo ejiri aka ike, o bụkwa udo mmadu ejighi obi ya.

**UDO NKWEKORITA**
1. bụ udo akpara akpa, binye aka n'akwukwo tupu enweea dika okwu Kamerun na Naijiria gbasara bakasi.

**UZO ESI EBI N'UDO**
**INUNANYA** – Bụ isi sepunti ndi bi n'otu ebe ga ahu onwe ha n'anya. Ọ bụrụ na inunaanya adighi, udo agaghi adi.

**NRUBEISI** – Aga na-erubere mmadu isi ka udo wee chia.

**NSOPURU** – Nsopuru di nnukwu mkpa maka udo inwe ezi mmekorita.

**OZIAGWA** – Mmadu ikpa ezi agwa na-eweta udo n'ihunanya. Ikwu ezi okwu na-eweta ntukwasi obi na ihunaanya n'etiti mmadu na ibe ya.

**ENWEGI OKE OCHICHO** – Oke ochicho na-egbunye udo n'etiti mmadụ na-emekwa ka udo too uto.

**INWE NDIDI** – Mmadu inwe ndidi na-ewe-ta udo n'etiti mmadu n'ibe ya.

**URU IBI NA-UDO BARA**
a. Ibi n'udo na-eweta anuike
b. Ibi n'udo na-emeka itu egwu laa, onye obula na-agara onwe ya mgbe ojiri masi ya.
c. Ibi n'udo na-achupu nkewa, iwe, ekworo, anyaukwu.

**UZO ESI AKWALITE IBI N'UDO**

d. Nnagide: Mmadu inagide ufodu mejoro anyi n'ihi na onye obula nwere udi agwa di iche iche
e. Eleta Aghara – Mmadu ileta ghara eleta ihe ojoo mmadu na-eme mana uclo di.
f. Iru Oru Onyeketara – Mmadu iru oru ekenyere ya.
g. Inweobi Umeala – Anyikwesiri inwe obi umeala ka udo di.
h. Anyina Chineke idi na-mma-Akwukwo nso gwara anyi, o buru na omume anyi n'amasi chineke oga ewetara anyi udo. O bula di n'etiti anyi na ndi iro anyi.

**OGBAGHARA**

Ogbaghara bu onodu enweghi maobu ebighi n'udo. Anyi ekwula okwu ihe na ebute udo na ihe bu udo, oburu na ihe ndi ahu koo anyi, ogbaghara ga abia.

**IHE NA EBUTE OGBAGHARA**

1. **MPUNA NSO ALA**: Onye na-eme mpu di-iche iche na onye anaghi aso nso ala.
2. **ỊKPỌ AGBURU ASI**: Onye kporo agburu mmadu asi.
3. **OMENAALA NDI**: Imebi usoro omenaala ndi ga-ebute ogbaghara.
4. **IZO ALA**: Imu ụmụ na ezinaụlọ na abughi nke gi.
5. **AJO OCHICHI**: Goomenti imeso ndi o na-achi ajo ochichi igosi na ajo obi.

**OGHOM DI NA OGBAGHARA**

e. O na-emebi ndu na akụnụba.
f. O na-ebute onodu onye aputala ezi.
g. O na-ebute mpu na aruruala di iche iche.
h. O na ebute aguu na oria di iche iche dika kwashiorkor.
i. O buru na ogbaghara di na etiti umu akwokwo a na-emebi ihe.
j. O na ebute ibanye onodu di egwu.
k. O na-ebute ida ubiam.

**IGU OGE**

Tupu ndi Igbo amara ihe bu elekere enwere uzo di iche iche ha ji ama elekere. O bughi mmadu kuziereha, obu site na ogugu isi Chineke nyere ha ndi bekee kewara ubochi uzo abuo

b. Site n'etiti abali ruo n'etitiubachi bu am.
c. Site n'etiti ubochi ruo n'etiti abali pm.

**ETU NDI IGBO SI AMA IHE N'AKU N'OGE GBOO**

ii Akwa oke okpa
iii Akwa nnunnu ufodu
iv Ebe anyanwu kwu
v Ogo onyinyo mmau

**OGE ELEKERE**

Elekere na enwe aka ato:

iv. Aka nkeji – nke ogologo.
v. Aka timtim-nke ziri ziri.
vi. Aka awa-nke mkpumkpu.

O na-ewe aka nkeji iri isii iji gaa elekere okirikiri, otu ugboro (60 minutes).

**Burunuche**: Mata n'obu nani mgbe aka nkeji kwu na onu ogugu iri na abuo aga asi na-ebe awa kwu, mgbe ahu aru oku lezie elekere ndia.
Aka ziri bu ndi obere ihe di n'ime elekere.

**OGE IZU**
Izu bu mkpuru ubochi ano dika mkpuku ubochi asaa di n'izu uka maobu izu beke. Aha izu ndi Igbo bu Eke, Orie, Afor, Nkwo.

| IZU BEKEE | IZU IGBO |
|---|---|
| Sonde | Eke |
| Monde | Orie |
| Tuuzdee | Afor |
| Wenezdee | Nkwo |
| Tuzdee | |
| Fraidee | |
| Satodee | |

Mkpuru ubochi ano bu otu izu. Mkpuru ubochi asato bu izu abuo. Mkpuru ubochi iri abuo na asaato bu izu asaa ma obu otu onwa.

**OGE AFO**
Igu oge afo (BEKEE), onwa iri na abuo ka enwere n' out afo. Hapu ndia:

| AFO BEKEE | AFO IGBO |
|---|---|
| Jenuari | Iri ato na otu (31) |
| Febuuari | Iri sbuo na asato (28)<br>Iri abuo na iteghte (29) |
| Maachi | Iri ato na otu (31) |
| Epreel | Iri ato (30) |
| Mee | Iri ato na otu (31) |
| Juun | Iri atu (30) |
| Julai | Iri ato na otu (31) |
| Ogootu | Iri ato na otu (31) |
| Septemba | Iri ato (30) |
| Oktomba | Iri ato na otu (31) |
| Novemba | Iri ato (30) |
| Disemba | Iri ato na otu (31) |

**OMENALA DI OKPUTOROOKPU**
Omenala di okputorokpu bu omanala ndi ahu dibaragboo ruo oge ugbua. Ha bu ndia:
30 Nwaanyi anaghi ali enu ojii
31 Nwaanyi anaghi ali enu nkwu
32 Ile omugwo
33 Ibi ugwu
34 Isi ji ohuru
35 Ikpu nwaanyi di ya nwuru isi / nwoke nwunye ya nwuru isi
36 Igba nkwu nwaayi

1. Ime ‘bia malu ala’
2. Nwaanyi anaghi agba mmanwu
3. Ikwa ozu

**MMEPUTA NA MGBANWE AKUNAUBA**

Aku na uba bu ihe aku aku, na ihe enwe enwe nke mmadu nwetara site na igba mbo, ma obu site na okpakpu aka ya

Aku na uba abughi naani ego, odi otutu ihe ndi igbo na-akpo akuna-uba nke o ga-abu inwee asi na ibu ogaranya.

**UDIDI AKUNAUBA**

1. Aku na uba ana ahu anya
2. Aku na uba anaghi ahu anya

**AKU NA UBA ANAGHI AHU ANYA**

1. Ahuike
2. Ogugu isi
3. Okpokpu isi madu ike
4. Oke mmata (amamiihe)
5. Mgbe mma zuru mmadu ahu.

**AKU NA UBA ANA AHU ANYA**

1. Mmadu inwe nnukwu ego
2. Ezinaulo bara uba
3. Inwe oke ala mana ulo mana ezi
4. Inwe ala ohia, ana enweta nnukwu osisi di iche iche dika oji, nkwu

**IHE EJI ENWETA EGO**

1. Iru oru ugbo
2. Inwe ala oru di iche iche dika ichu nta, ikpu uzu, izu ahia
3. Oru aka di iche iche ihe okpukpu ihe otutu
4. Ichu nta ego na mmemme
5. Igbazinye mmadu ego n’ulo aku

**UZO AGA ESI EME KA AKỤNỤBA BAWANYE**

1. Itinye uchu n’oru onye obula, idi ike oru dika anoghi nkiti
2. Itinye ego n’ihe ndi naenye ego
3. Aga enye ndi ala olu
4. Ikwado agumakwukwo
5. Ga enmenti ga-eweta ike na enye ndi choro imeputa ngwa ahia site na igba ziri ha ego

**ONUOGUGU MKPEKERE**

Onuogugu nke ezughioke

1. ½ = otu n’ime abuo
2. 8/10 =asato n’ime iri
3. 15/20 = iri na ise n’ime iri abuo

1. 129/300 = Otu nari iri na abuo n’ime nari ato
2. 95/10 iri iteghete na ise n’ ime iri

**OTU UMUADA/UMUOKPU**

Umuada maobu umukpu bu otu jikoro umunwaayi niile anuru n’otu umunna onu

**IWU NA ACHI UMUADA/UMUOKPU**

a. Nwaada mere ihe adighi mma, ihe joro njo aga-ada ya nha, iwu bu oga akwucha ya bu nha tupu osoro
b. Ebe obula akpoko ha oriri okacha na akwamozu aga enyeju ha afo
c. Nwaada anaghi abia leti, ha bia aga ada ya nha

**URU UMUADA/UMUOKPU BARA**

1. Ha na-edozi esemokwu daputara n’etiti di na nwunya, nwanne na nwanne ma obu umunna na ummunna
2. Ha na-eweta udo deri ede n’eziulo
3. Ha na-akwadokwu otu oganiru
4. Nwoke na-emegbu nwunye ya ndi umuada ga-abia bara ya mba mee ka udo di n’etiti di na nwunye ahu
5. Nwaayi na-eme ajo ihe na be di ya umuada ga ado ya aka na nti, ogba isi akwara, o ga akwapuru di ya.
6. Ha na-enye mmadu ndumodu na-abara ya uru
7. Ha na-akpu nwaayi di ya nwuru isi
8. A na-enye ha ugwu na nsopuru diri ha n’ebe ana-eme mmemme di iche iche

**NKEJI ASUSU-NGWAA**

Ngwaa bu otu n’ime nkeji asusu Igbo na-eme ka ahiriokwu enweghi ngwaa anaghi edo anya.

**OMUMAATU NGWAA**

1. Ngozi zara ulo
2. O siri nri
3. Ha churu mmiri
4. Nnem na-ete ofe
5. Oge gara ahia
6. O bu ite n’usu
7. A piara ya ihe
8. Egburu ehi wdgz

**UDIDI NGWAA DI ICHE ICHE**

1. Isinagwaa
2. Enyemaka ngwaa
3. Omeka ngwaa
4. Mfinitive
5. Jerondu

ISINGWAA- Bụ na ya ka ngwaa dabere. O bu ntoaha ngwaa buru isi sekpunti na ngwaa o na enweta bue na iji kota otu mgbchiume na otu udaume onu

**OMUMA ATU**

| | | |
|---|---|---|
| 1. | B + a = ba | ba + ra = bara |
| 2. | Ch + e = che | Che + re = chere |
| 3. | Gb + a = gba | gba + ra = gbara |
| 4. | J + e = je | je + re = jere |
| 5. | Kp + e = kpe | kpe + re = kpere |

NNYEMAKA NGWAA: Nkea bu mkpuru okwu na enyere omekangwaa aka iji kọwaapụta ebumuche ya n'ahiriokwu. Okwu abuo ka eji eziputa ya bu 'NA'na 'A'. Anaghi edeko ngwaa na nyemaka ngwaa onu ka ana etinye akara uhie

**Ọmụmaatu**

1. Ada ga-eri nri
2. O na-ede ihe
3. Amaka na-ekwu okwu
4. Uju na-aru ọrụ
5. Ha na-agba egwu

OMEKANGWAA: Bu edecha ngwaa etinye akara uhie, mkpụrụokwu na eso ya n'azu ka a na-akpo omekangwaa. A na-eweta ya site n'ụdaume "A" maobu "E" n'ihu isingwaa

**Omumaatu**

1. E + si = esi
2. A + za =aza
3. A + su = asu

MFINITIVE: Bu ngwaa ana-emeputa site na igbakwuye nganchu "I" maobu "I" ihu isingwaa **Omumaatu**

| NGANIHU | ISINGWAA | MFINITIVE |
|---|---|---|
| I | Ga | Iga |
| I | Ri | Iri |
| I | Gba | Igba |

JERONDU: Nkea bu udi ngwaa a na-emeputa site na igbakwunye nga-n'rihu "O" maobu "o" n'ihu isingwaa

**Omumaatu**

| NGANIIHU | ISINGWAA | - | JERONDU |
|---|---|---|---|
| O | Si | si | Osisi |
| O | Ti | Ta | Otita |
| O | Mu | Ru | Ọmụrụ |
| O | Mu | Mu | Ọmụmụ |
| O | di | De | Odide |

**NZU**

Nzu bu aja upa roro aro egwu tara na-acha ntu ntu. Nzu bu nnukwu ihe nan du igbo.

**URU NZU BARA/ IHE EJI NZU EME**

1. Nzu na-egosi ihe dị aso n'ala igbo
2. Eji ya eme ọjị n'ala igbo maobu na oji adighi
3. A na-ete nzu na anya dika ndi dibia
4. Eji nzu egosi na obara n'out ndi di nso
5. A na-ama onye na echi ozo nzu mgbe o na-echi ozo
6. A na-ata nzu ata okachasi umunwaayi di ime maka na ha kweyere na o na-emeka nwa gbasie ike

**IHE NZU NA EGOSI NAALA IGBO**

1. Nzu n'onwe ya na-egosi ihe di nso
2. O na-egosi obi ocha mmadu nwere ebe onye obia no
3. Nzu na-egosiputakwa onye dibia afa mgbe ha bara yan'anya
4. Eji nzu akabido ebe achoghi ka mmadu baa.